# NRỌPỤTA NKE NWANYỊ AHỤ ANAALỤ ỌHỤỤ

**Jenesis 24:1-33**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 12 - Nke Ndị etiti**

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ọ mawo uzọ m'nāga" (Job 23:10).**

**Abraham Na Aisak**

N'ihi nrubeisi nke Abraham, Chineke ekwewo yarị mkwà na agaesite ná mkpụrụ ya mee ka mba niile nke ụwa ñụrịa. Abraham dị otùnarịarọ na irianọ ugbu a; nwunye ya, bụ́ Sera, anwụrụwo; nwa ha nwoke, bụ Aisak, dị ihe dị ka iri arọ anọ. Chineke agọziworị Abraham wee nye ya igwè ewù na atụrụ, igwè ehi, ọlaọcha na ọlaedo, ọtụtụ orù ndịkom, ọtụtụ orù ndịnyom, ọtụtụ kamel na ọtụtụ ịnyịnyaibu. Aisak bụ onye nketa nke ihe ndịa niile. Abraham nwere otù orù nke kwesịrị ntụkwasịobi n'ọlụ ya, bụ okenye nke ụlọ ya, bụrụ kwa onye na achịkọta ihe niile o nwere onye ekwere na ọ bụ Elieza onye Damaskọs.

**Otù Ozi Nke Dị Mkpà**

Otù ụbọchị Abraham kpọrọ orù a bụ́ onye anwapụtaworo na onye eziokwu gwa ya ka ọ lụọ otù ọlụ dị mkpà "Ọ bu alam na umunnam ka ị gējekuru, lutara nwam, bú Aisak, nwunye." Nnenanna bụ ndị naarọpụtara nwa ha onye ọ gaalụ, dịka esi eme ya n'obodo ụfọdụ ọbụná rue taa.

Nke a bụ n'ezie ọlụ siriike nye orù ahụ. Eleghịanya nwaagbọghọ ahụ agaghị achọ ịrapụ mmekọrịta niile nke èzínaụlọ, na nke ndị enyi ya, ijéijè a dị ogologo. Ma nna ya ukwu gbasiri ya ume ike sị, "JEHOVA, bú Chineke nke elu-igwe … gēziga mọ-ozi Ya n'iru gi." Abraham tụrụ egwu na ọ bụrụ na nwa ya nwoke alụọ nwanyi nime èzínaụlọ ndị Kenan, eleghịanya aga eduhie ya ụzọ site n'ifè ezi Chineke òfùfè.

**Nkewapụ site N'Ụwa**

Ndị rapụworo ụwa n'azụ wee naeso Jisọs, bụ ndị ha na Chineke na Kraist bụ otù. Chineke ezipụwo Mmụọ Ya n'ụwa ka o jekuru "umunnaYa" chọta otù Nwunye nye Ọkpara Ya, bụ́ Jisọs Kraist. Ndị ahụ nke gaabụ Nwunye nsọ Kraist bụ ndị ahụ azọpụtaworo site ná mmehie ha, ndị edowokwara nsọ ndị gakwara n'iru nweta ike nke Mmụọ Nsọ. Ndị ụwa nwere náání mmekọrịta dị ntà n'ebe ezi ụmụ Chineke nọ. Ha enweghị mmasị n'otù ụdị ihe; ha adịghị aga otù ụdị ebe; ha adịghị achọ ịlụrịta di na nwunye n'etiti ibe ha. Gụọ 2 Ndi Kọrint 6:14-18, wee mụta karịa banyere ịnọ iche nke NdịKraist site n'ebe mkparịta ọjọọ niile, na site kwa n'ebe ndị náekweghịekwe nọ.

**Ijè Amaliteworo**

N'etufughị oge ọzọ Elieza jikere ịgba okporo gafee uzuzu niile nke ọzara ahụ. Kamel iri nke bu ibu sokwa n'ijè a; ọtụtụ onyinye dị ókéọnụ dị kwa nime ụgbọijè ahụ. Mgbe akwadosịrị ihe dum, Elieza na ndịkom ya biliri jee.

**N'akụkụ Olulummiri**

N'ikpeazụ ijé ahụ nke dị ihe ra ka narị maịlị ise bịaruru ná ngwụsị. N'ikeọgwụgwụ na akpịrị ịkpọnkụ, na mgbe anyasị, Kamel iri ahụ gburu ikpere n'ala n'akụkụ olulummiri dị n'azụ obodo Nehoa, nke dị nime ala nke Mesọpọtemia. Ọ bụ ezie na anyasị abịawo, ma orù a nke kwesịrị ntụkwasịobi jikeere ka ọ lụzue ihe ahụ bụ isi ijè ya tupu chi ejie. Olulummiri bụ ebe mmadụ pụrụ ịhụ ọtụtụ ụmụagbọghọ ndị náabịa isere mmiri mgbe ìhè ka dị n'ụbọchị.

**Mmụọ Nsọ**

Lee otú o si bụrụ iheatụ n'ụbọchị taa -- Chineke Nna, Onye Abraham nọchirianya Ya n'akụkọ a, ezipụwo Mmụọ Nsọ Ya ịchọta Nwunye nye Ọkpara, Jisọs Kraist. Ugbu a mgbe bụ́ anyasí nye ụwa ochie nke a, Mmụọ Nsọ ahụ naachọ otù Nwunye ahụ anaalụ ọhụụ tupu abalị abịa. Mgbe náadịghị anya Mmụọ Nsọ ahụ gaakwụsị ịkpọòkù Nwunye Nsọ ahụ ịbànye nime Oririanyasị nke Ọlụlụnwunye nke Nwaatụrụ ahụ, (Lee Iheọ̀mụ̀mụ̀ 342, Nke Ndịetiti, Akwụkwọ 27).

**Ekpere Ahụ Na Ọ̀zị́zá Ya**

Ọ̀ bụ na anyị apụghị ịhụ Elieza ka ọ naerudata isi ya kpéekpere n'olu pụtara ìhè sị: "JEHOVA, bu Chineke nke Onye-nwem Abraham, …. Le, mu onwem nēguzo n'akuku isi-iyi miri … ka o ru kwa, na nwa agbọghọ ahụ onye m'gāsi, Biko zie ite-gi ka m'ñua; Onye ahu gāsi kwa, Ñua, ọzọ kwa, kamel-gi ka m'gēme ka ha ñua: ka ọ buru nwayi ahu ka I rọputaworo nye orù-Gi, bú Aisak; ọ bu kwa nime nka ka m'gāmara na I

meworo onye-nwem ebere.” Ọ chọrọ iheàmà iji mata na Chineke naedu ya nime ọchịchọ banyere nwanyị nke gaabụ nwunye nwa onyenwe ya.

Tupu O kpesịa ekpere ahụ, otù nwaagbọghọ maramma nke ukwuu bịara n’olùlùmmiri ahụ náebu ite ya n’ubu ya. Ekwuru na anaebu ite n’ubu na Mesọpọtemia, ma ọ́ bụ n’isi ka anaebu ya n’obodo ụfọdụ. Ọ rịda n’isiiyi ahụ gbajue ite ya. Orù ahụ gbara ọsọ jekwuru ya rịọ ya ka ya ñụọ mmiri site n’ite ya. Ime ka akpịrị ịkpọnkụ ya kwụsị abụghị ihe dị ya mkpà ugbu a dịka ịmata ma nwaagbọghọ a ọ̀ bụ ọ̀zị́zá ekpere ya ka ọ̀ bụ na ọ bụghị. Ngwangwa o zie ite ya n’aka ya nye ya mmiri ka ọ ñụọ ná nsọpụrụ. Ọ gwaghị ya ka o nye kamel ya mmiri, ma nwaagbọghọ ahụ kwuru n’onweya na ya gaenye kwa Kamel ya mmiri ka ha ñụọ. Ọ malite ise mmiri, wee naeweta ite mmiri n’otù n’otù rue mgbe kamel iri akpịrị naakpọnkụ ñụjuru afọ. Kamel pụrụ ịñụ mmiri gaanọruru ya ihe ra ka abalị iri maọbụ abalị irinaise.

**“Onye Agọziri agọzi nke JEHOVA”**

N’ojujuanya na ọñụ, orù ahụ weere mgbe aka ọlaedo na ọlaaka abụọ sị “Nwa onye ka ị bụ? Biko gosim: Ọ̀ dị ọnọdu n’ulo nna-gi ayi gēnwe inọ ọnọdu abali?” Nwaagbọghọ ahụ zaghachiri ya ngwangwa na ọnọdụ dị ebe ya na ndịkom ya na kwa kamel ya niile gaanọ ọnọdụ abali. Mgbe ahụ o mere ngwa laghachi n’ụlọ ịgwa ndị èzínaụlọ ya akụkọ ahụ pụrụ iche nke dị kwa ebube banyere ihe niile nke mere. Nwanne ya nwoke, Leban, otù mgbe ahụ gara n’olùlùmmiri ahụ wee gwa Elieza na ya edoziwo ụlọ ahụ, ma dozie kwa ọnọdụ n’ihi Kamel ya niile. “Bata” ka o kwuru, “gi onye agọziri agọzi nke JEHOVA.”

**Ọnọdụ Nime Obi**

Mmụọ Nsọ naachọ gị ka O jikere obi gị n’ihi mbịaghachi ọzọ nke Onyenweanyị. Ọ chọrọ ime ka i jikere ịbụ otù nime Nwunye Nsọ nke Kraist. Ị̀ naajụ ọkpụkpọ̀kù ahụ? Ka ọ̀bụ, ị pụrụ ikwu, “Bata, n’ihi gịnị ka I nēguzo n’ezi? Mu onwem edoziwo ọnọdụ nime obim nye Gị”?

## AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1. Gịnị mere Abraham ji chọ ka Aisak lụọ nwanyị site n’ụmụnna ya?
2. Ònye ka etinyere ya n’aka ịchịkọta ihe niile Abraham nwere? Ọ̀ bụ onye kwesịrịntụkwasịobi?
3. Òlee otú orù ahụ si jee ijè gafe ọzara?
4. Gịnị bụ ekpere nke orù ahụ kpere?
5. Òlee otú o si mara na azawo ekpere ya?
6. Kọwa omume Rebeka?
7. Ụdị onye ka Elieza bụ? N’ụzọ dị añaa?
8. Kwue ụfọdụ nime ntozuòkè niile nke Nwunye nsọ nke Kraist
9. Ànabatara orù ahụ nkeọma n’èzínaụlọ Rebeka? Gịnị ka emeere ya?